# ỤBỌCHỊ IKPEAZỤ NDỊA

**I Timọti 4:1-9; II Timọti 3:1-7.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 414**

**Nke Ndịokenye**

**AMAOKWUIBUN''ISI: "Ma Mọ Nsọ nēkwuwa okwu, si, na n'oge ikpe-azu ufọdu gēwezuga onwe-ha n'ebe okwukwe-ayi di, nāña nti ndi-mo nēduhie eduhie na ozizí nke ndi- mọ ọjọ" (I Timọti 4:1).**

**I. Isi N'Okwukwe Dapụ**

1. MmụọNsọ naadọakanị na ụfọdụ gaesi n'okwukwe wezuga onweha, I Timọti 4:1; I Jọn 2: 18, 19.
2. Ozizi niile nke ekwensu na ụgha niile nke ndị iru-abụa ka ndịa dápụworo n'okwukwe anyi gaewere dochie eziokwu ahụ, I Timọti 4:1,2; II Timọti 4: 3,4.
3. Iwu niile nke mmadụ ka anaakwagide, ma naewezuga iwu niile nke Chineke, I Timọti 4:3-5; Mak 7:6-8.

**II. Ọlụ nke Dịrị Onyeozi**

1. Okwu niile nke okwukwe na ezi ozizi bụ ihe aga naeche n'iru ụmụnna mgbe niile, I Timọti 4:6.
2. Ekwusịrị ike banyere mkpa ọ dị bụ́ nsọpụrụ Chineke, I Timọti 4:7-9; Taitọs 2:12.

**III. Oge Dị Okéegwu**

1. Ụdị iheọjọ nịịle dị icheiche bụ ákàrà nke ụbọchị ikpeazụ ndịa, II Timọti 3:1-4; Matiu 24:37-39; Jenesis 6:5-7.
2. Anaenwe ụdị nke nsọpụrụ Chineke, ma naagọnarị ike ya, II Timọti 3:5-7.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

"Ma Mọ Nsọ nēkwuwa okwu, si, na n'oge ikpe-azu ufọdu gēwezuga onwe-ha n'ebe okwukwe-ayi di, nāña nti ndi-mọ nēduhie eduhie na ozizi nke ndi-mọ ọjọ, site n'iru-abua nke ndi nēkwu okwu-ugha, ndi eji ígwè ọku da ha n'akọ-na-uche nke aka ha." Otù nime ihe Onyeozi ahụ kwusiri ike maka ya banyere iheịrịbaàmà dị icheiche nke ụbọchị ikpeazụ bụ isi n'okwukwe wezuga onwe: ndapụ n'okwukwe, ịgbakụtaazụ, ịrapụ ụzọ niile nke mgbe ochie ahụ. Ọgbọ nke ndị Leodisịa bụ ọgbọ ikpeazụ nke Nzukọ Kraist n'elu ụwa, ma ihe eji mara ya bụ ịdịñarañara (ajụghịoyi ekpoghịọkụ), ọnọdụ nke Chineke kpọrọasị. Chineke ekwuwo sị, "Ọ gādim nọ nma ma ị nāju oji ma-ọbu na ị nēkpo-ọku." Ka anyi lezieanya ka anyi wee ghara ịdị ñarañara nimemmụọ n'ụbọchị ikpeazụ ndịa.

Ọ dị mma ịtụgharịuche banyere ihe Mmụọ Nsọ naagwa Nzukọ ahụ niile site n'okwu ahụ. Ọ bụ Mmụọ nke Chineke kpaliri Okwu ahụ. Ọ bụ nka mere Okwu ahụ jiri dị ndụ. Ọ dị ndụ naalụsi kwa ọlụ ike, naadụ́ kwa rue n'ikewasị mkpụrụobi na mmụọ, ma nkwokwo na ụmị -- nke imemmụọ na nke anụarụ.

### Mkpụrụobi nke Naadịghị Anwụanwụ

Ekere mmadụ n'onyinyo na n'oyiyi nke Chineke. Mgbe Chineke kunyere nime mmadụ ume nke ndụ, mmadụ ghọrọ **mkpụrụobi dịndụ.** O wee ghọọ ihe dịndụ ma n'anụarụ na nimemmụọ. Ụmụanụmànụ̀ niile, nnụnụ niile, azụ niile, na ihe ndị ọzọ niile ekereeke ka emere n'ụdị dị iche n'ebe mmadụ dị. Mmadụ bụ ihe pụrụiche nke Chineke kere, iheekereeke nke nwere **mkpụrụobi naadịghị anwụanwụ**. Lee ka o si dị ebube! Ma lee otú mmadụ si leda ohere nke o nwere iji fee Chineke òfùfè anya na ịbụ onye kwesịrị ntụkwasịobi nye Chineke.

Mmụọ naeduhieeduhie na ozizi nke ekwensu pụrụ ịba nime mmadụ wee naalụ ọlụ n'ụzọ aghụghọ dị icheiche, n'ụzọ nzuzu dị icheiche, ịrafu, iduhie, na ịdọkpụpụ ya n'akụkụ ka o wee tụfue nzube nke Chineke bu n'obi banyere ọdịmma ebighiebi ya. Ma n'ebe ahụ ka ọ nọ naabụghị ihe ọ bụla ọzọ karịa ogbenye ọnụntụ, onye ekwensu duhieworo ma rafue kwa, onye dapụworo

n'okwukwe – siworo n'okwukwe wezuga onweya – onye Chineke rapụworo. Chineke ekwuwo na ndị mmụọ a naeduhieeduhie gaeduhie ọbụná ndịarọpụtara ma ọ bụrụ na ọ gaekwe mee. Ka anyi chesie echiche ike banyere ihe ndịa.

**Iheị tụziaka dị Icheiche Eguzobere**

Nime Okwu Chineke anyi gụrụ, "Ma mara nka na oge di oké egwu gābia na mgbe ikpe-azu. N'ihi na madu gābu ndi nāhu nànì onwe-ha n'anya, ndi nāhu ego n'anya, ndi nānya-isi, ndi npako, ndi nkwulu." Ndị naahụ nànị onweha n'anya! Ọ bụghị ndị naahụ Chineke n'anya, ọ bụghị ndị naahụ ndị gbataobi ha n'anya, ọ bụghị ndị naahụ ịmamma niile nke nzọpụta Chineke n'anya! Legharịa anya n'ụwa dum taa, gịnị ka ị naahụ? Ezi mmezu nke okwu ndị ahụ niile edere n'Akwụkwọnsọ. Ụmụmmadụ naenwe okéọchịchọ, naachọ ọdịmma nke nànì onweha, naenwe anyaukwu, naanyaisi.

Ọgbọ nke anyi bi nime ya bụ ọgbọ nke naanyaiasi. Ụmụmmadụ naanyaisi ná nchọpụta niile nke ihe ọ̀mụ̀mụ̀ Saiens (Science) na ọgan'iru, ya, naanyaisi ná nchepụta ha niile nke ha depụtara dịka ụkpụrụ (theories) ya na nkwadobe niile nke ha naeme banyere ịganjèm rue ebe dị anya n'elu, na ịchọpụta ụwa ọzọ dị icheiche dị n'ebe dị anya nime eluigwe. Ihe olenaole bụ ihe ọ dị ka amamihe nke mmadụ erughi n'ụbọchị taa, ma site n'otù nsetiaka, Chineke pụrụ itinye amamihe nke mmadụ n'ọgbaaghara, dịka O mere ndị ahụ naewu uloelu nke Babel.

Onyeozi ahụ kwuru sị, "Òle ebe onye mara ihe nọ? Òle ebe ode-akwukwọ nọ? Òle ebe onye oge a, onye ya na ibe ya nājurita ajuju nọ, Chineke emegh ka amam-ihe uwa buru ihe nzuzu?" (I Ndi Kọrint 1:20) Mgbe amamihe nke mmadụ gaadaruwori ala, amamihe nke Chineke ya naaga n'iru rue mgbe niile ebighiebi.

**Ajọ Mmadụ**

Okwu Chineke kọwara ụmụmmadụ nke ụbọchị ikpeazụ ndịa: "Ndi-nābya isi, ndi npako, ndi-nkwulu, ndi nēkwenyegh ndi-muru-ha ndi nēnwegh ekele, ndi nādigh ọcha n'obi, ndi ihe madu-ibe-ha nādigh-atọ utọ, ndi nādigh-agba ndu, ndi nēbo ebubo ugha, ndi nādigh-ejije onwe-ha, ndị di ka anu-ọhia, ndi nādigh-ahu ezi ihe n'anya." Ọ dịbeghi mgbe ọ bụla n'akụkọ ụwa nke okwu niile ndịa nke edere n'Akwụkwọnsọ mezuworo n'ụzọ pụtara ìhè nke zukwara ọkè site nà ndụ ndị ajọ mmadụ.

Ihe ahụ naejikọ ụmụmmadụ ka ha wee nwee ike íbíkọrịta n'otù n'obodo naadaru ala n'ụbọchị ndị n'ụzọ pụtara ihe. Iheọ̀tụ̀tụ̀ niile nke eji naezipụta omumeọma adịkwaghị n'ebe ha naadị na mbụ; ha naagbada agbada. Cheta, Baibụl naakọwa na mgbe ikpeazụ "oge di oké egwu" gaabịa. Anyi naebi ndụ n'ọgwụgwụ nke ụbọchị ndịa. Oge dị oké egwu nọ n'etiti anyi! Ụmụmmadụ naabụ "ndi nādigh-ejide onwe-ha," "ndi nādigh-ahu ezi ihe n'anya." Òlee oge ụwa nyefere onweya n'agụ ihe ọjọ nke anụarụ na nganga nke ibi ndụ karịa otú ọ dị n'ụbọchị taa?

Ọ bụrụ na mmadụ nwere n'ezie iheọ̀tụ̀tụ̀ ahụ nke naezipụta omumeọma n'obi ya ọtụtụ mgbe ndị ọzọ naeleli ya. Ọtụtụ mmadụ naesoro igweadụ n'ime iheọjọ, nànị n'ihi na ọ bụ ihe amaara nkeọma na ọtụtụ ndị ọzọ so naeme ya. Ma mmadụ nwere ike itinye mkpụrụobi ya nime ọkụalammụọ nke ekwensu rue ebighiebi site n'isoro igwemmadụ naeme iheọjọ. Chineke kpọrọ ya asị!

**Ndị Naahụ Iheụtọ N'anya**

Baibụl gwakwara anyi ọtụtụ ihe ọzọ banyere ndị nke ụbọchị ikpeazụ ndịa: "Ndi nārara madu nye n'aka ndi-iro-ha, ndi-isi-ike, ndi afuliworo elu, ndi nāhu ihe utọ n'anya kama ihu Chineke n'anya." Òlee ndị ka nka naekwu ihe banyere ha? Onye ọ bụla nke naenwe mmasị n'ihe nke ụwa karị n'ịhụ Chineke na Iwu Ya n'anya. Ọ pụtaghị ihe ọ bụla ma asị na onye ahụ nọ nime otù okpukpe maọbụ na ọ nọghị. Ọ bụghị nánị mgbe mmadụ bụ onye naekweghi na Chineke dị maọbụ onye naagọnarị okwukwe ahụ ka ọ gaemejọ Mmụọ nke Chineke ma weta kwara onweya ọnụma nke Chineke. Nanị ihe mmadụ gaeme bụ inwe ịhụn'anya kachsị n'ebe iheụtọ nke ụwa dị karịa nke o nwere n'ebe Chineke nọ.

Mgbe ụfọdụ ọ naeju anyi anya ịhụ mmadụ ndị naagọnarị ọchịchọ Chineke n'ebe ha nọ banyere ife Ya ezi ọ̀fụ̀fè, iche èchìchè otú kwesịrị ijere Onyenweanyi ozi n'igbasa ìhè nke Oziọma ahụ; ma kama nka, ha gaachọ ma mee kwa ihe naatọ ha onweha ụtọ.

Chee èchìchè nwaoge banyere okwu a: Ị̀ bụ onye naahụ iheụtọ n'anya karị ịhụ Chineke n'anya Gịnị ka ị naeme n'Ụbọchị Onyenweanyi? Ihe ra añaa ka ị naenye n'ihi ọgan'iru nke ọlụ Kraist? Ị

naenye Chineke oge gị na talent gị, naenye site n'ihe onwunwe gị na ike gị? Ọ bụrụ na ọ bụghị otú a eleghị anya, gị onwegi kwa, bụ ákàrà, iheịrịbaàmà nke ụbọchị ikpeazụ ndịa, n'ihi na ị nwere ịhụn'anya n'ebe iheụtọ dị karịa n'ebe Chineke nọ.

**Okpukpe Omen'ala**

Mgbe akọwachara ihe banyere ndikom nandinyom nke ụbọchị ikpazụ ndị, Akwụkwọnsọ wee tụkwasị okwu ndịa: "Ndi nēnwe udi nsọpuru Chineke, ma ha agọwo ike-ya: gị gbakuta kwa ndia azu." Were nwayọ lerue okwu ndị a anya. Nyochaa ọnọdụ nke imemmụọ gị. Okwu ndịa sitere n'Akwụkwọ Nsọ nke Chineke.

Ọtụtụ mmadụ taa nwere ụdị nsọpụrụ Chineke, ma ha nwụrụanwụ nime mmụọ. ha naaga n'iru n'okpukpe omen'ala ha ma ha enweghi ike – ha naagọnarị ike nke Chineke ahụ nke naatụte ndụ, naeme kwa ka adịndụ, nke naemeju n'ịnụọkụ n'obi, okwukwe, ịgbaume, na inwe mkpali makaijere Kraist ozi.

Ịhụn'anya mbụ ha, ọchịchọ mbụ ahụ nke ịhụ na amụbatara ndikom na ndinyom n'alaeze Chineke, batara nime obi ha site n'ịnata mgbaghara mmehie, mgbe enwesịrị nnwuta dịka Chineke chọrọ; ma ugbu a mmụọ nduhie ahụ nke sitere n'aka ekwensu egbebatawo wee mebie ịhụn'anya, ịnụọkụn'obi na okwukwe ahụ nke ha nwereri na mbụ na kwa ozizi niile ahụ nke ha hụrụ n'anya na mbụ. Ugbu a arapụwo ha n'ọnọdụ siriike nke ịnọ naenweghi ike nke Chineke ahụ nke naakpali Mmụọ, ma ha nọ naaga n'iru nání n'omen'ala.

**Lezieanya**

Chineke naemeso ndikom na ndinyom n'otù n'otù. Ọ naekpughe uche Ya site n'Okwu Ya. Ma ọ bụrụ na Okwu Ya adaa ná ntị ahụ nke naadịghị anụ ihe ngwangwa, onye ahụ gaaghọ onye naemebiiwu n'ije ozi ya nye Chineke; ịhụn'anya ya n'ebe Chineke nọ naanyụanyụ; ọ naatụfu kwa ịnụọkụn'obi ya bayere alaeze Chineke. Ọ bụrụ na nke ahụ bụ ọnọdụ gị, ị gaamata nke ọma an ọ dị nọọ ihe naadịghị agazi otú o kwesịrị. Ị ghaghị kwa ilezianya dozie ihe ahụ tupu oge aganarị gị.

Chineke ekwela ka anyi, n'otù n'otù maọbụ n'ọ̀rà, bụrụ ndị gaadaba n'aka mmụọ nke ịdapụ n'okwukwe ahụ nke bịakwasịworo ndị ahụ naaza nzukọ Kraist n'egbugbereọnụ -- ndị naakpọ onweha nzukọ Kraist -- n'ụbọchị ikpeazụ ndị a. Ka anyi ghara ịtụfu ịgbambọ ahụ, ịnụọkụn'obi, na ọchịchọ ahụ nke naenwuenwu n'obi anyi inye ihe niile anyi mwere n'ijeozi Kraist. Ka anyi were ịgbambọ siri ike jeere Ya ozi ma nye kwa Ya oge anyi, talent anyi na ike anyi.

Okwu Chineke bụ eziokwu; mgbe anyi gaabanye n'ebighebi ọbụná ndị ahụ naekweghị na ya n'ụbọchị taa gaachọpụta na ọ bụ eziokwu. Otù ụbọchị madụ dum gaamata na Baibụl a bụ Akwụkwọ nke Ndụ ahụ, Akwụkwọ nke Chineke, Akwụkwọ ahụ nke gaekpebi ebe mmadụ gaanọ ebighiebi. Ọ bụ Akwụkwọ ahụ nke naegosi nwoke na nwanyi ọ bụla ụzọ ijeru Eluigwe.

Ka Chineke tụtee obi anyi! Ka ayi ghara ikwe mgbe ọ bụla maọlị, ka mmụọ nke oge a dị oké egwu nke anyi naebi nime ya nwee ike n'ebe mkpụrụobi anyi di nke gaeme ka anyi nwee nlefuruanya ma ghọọ ndị naadịghị enwe mmetụta n'omume anyi n'ebe Chineke nọ.

**Oge Anaanara Mmadụ Nkeọma**

Taa bụ oge kwesịrị ka anyị nwee mmetuta n'obi. Taa bụ ụbọchị nke njikere. Taa bụ ụbọchị nke nzọpụta. Òlee otú ọ gaadịrị gị ma ọ bụrụ na taa gaabụ ọgwụgwụ nke ụwa nka?

Ugbu a bụ oge anaanara mmadụ nkeọma ịchọta mgbaghara mmehie n'ebe Chineke nọ -- oge nke Chineke gaanabata gị. Okwu ahụ naasị, kwere Ya. Chineke gaanabata gị, enyim onye mmehie, gị onye naeso ụzọ Kraist nke dị ñarañara, onye daghachiriazụ, gị onye ozizi nke jụrụoyi ma nwụa kwa anwụ, ma ọ bụrụ na ị gaechegharị.

Chineke naakpọ òkù. Ọ bụrụ na ị gaanụ olu Ya, emela ka obi gị sie ike, kama lata ulo n'ịhụn'anya nke Chineke ka ị wee jikere maka ụbọchị ikpeazụ ahụ.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ònye naadọ anyi akanántị na agaenwe oké ndapụ site

   n'okwukwe n'ọgwụgwụ oge nịd a?

2. Gịnị ka ndị ahụ rapụrụ okwukwe naeji edochi ọnọdụ eziokwu

ahụ?

3. Gịnị naeme akọnauche nke ndị ahụ naesi n'okwukwe wezuga onweha?
4. Àgaajụ ihe ọ bụla nke Chineke kereeke? Òlee otú agaesi nara ha?
5. Gịnị ka agaajụ?
6. Mejue okwu a: "Nsọpuru Chineke bara uru nye ihe nile,. . ."
7. Òlee mgbe oge ahụ dị oké egwu gaabịa?
8. Kpọọ aha ihe ịrịbaàmà 19 ahụ nke naegosi oge ahụ dị oké egwu dịka eburuụzọ gwa anyi nime ebe ọgụgụ nke ihe ọ̀mụ̀mụ̀ anyi n'ụbọchị taa.